# EBE NSỌ AHỤ: ODUDONSỌ

## Ọpupu 30:1-10; 40:22-28; Levitikọs 4:1-12; 6:30; Ndi Hibru 13:11, 12

### IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 73 - Nke Ndị okenye

**AMAOKWU IBUN'ISI : "N'ihi nka Jisus, ka Ọ we site n'ọbara nke Ya onwe-ya do ndi nke Ya nsọ, Ọ hu-kwa-ra ahuhu n'azú ọnu-uzọ-ama nke obodo" (Ndi Hibru 13:12).**

**I Ndozi Na Ijéozi Dị Icheiche Nime Ebe Nsọ Ahụ**

1. Ebe ịchụàjà nke ọlàedo ahụ nke ihe nsureọkụ̀ náesi ísìụtọ dị n'Ebe Nsọ ahụ, Ọpupu 30:1-6, 26-29; 37:25-28; 39:33, 36-38; 40: 5, 26-28
2. Esurere ihe nsureọkụ̀ náesi ísìụtọ n'oge anaachụàjà mmehie na n'oge ekpere, Ọpupu 30:7-9; 40:27; Levitikọs 16:11-13; Luk 1:10; Abù Ọma 141:2; Nkpughe 8:1-4; Malakai 1:11
3. Ọ bụ n'elu ihe ịchụàjà nke ọlàedo ahụ ka anaachụàjà mkpuchimmehie site n'ọbara àjàmmehie n'ihi mmehie nke eburu pụta ụwa, Ọpupu 30:10
4. Edebere tebụl nke achịcha ahụ anaeche n'iru Chineke n'ọnọdụ ya n'akụkụ ebe chere iru n'ugwu, Ọpupu 40:4; 22:23; 37:10-16; 26:35
5. Edebere ihe ịdọbaoriọna asaa ahụ n'akụkụ ebe chere iru na ndịda, Ọpupu 40:24, 25; 37:17-24; 26:35

**II Ebe Nsọ Ahụ Ụdị nke Odudonsọ Zuruòkè**

6. Nrọpụta ahụ nke dị nime Mkpuchimmehie n'ihi mmehie nke eburu pụta ụwa bụ ụdị àjà mmehie, Levitikọs 4:1-4, 13-15, 22-24, 27-29; Ndi Hibru 13:11, 12; Abù Ọma 51:1-10; Ndi Efesọs 4:20-24; 5:25-27; Luk 1:74, 75; 2 Ndi Kọrint 7:1; I Ndi Tesalọnaika 4: 3; Jọn 17:9-24; Ndi Hibru 2:11; Ndi Rom 6:6-12
7. Anaachụàjà Mkpuchimmehie site n'ifesa ọbara, Levitikọs 4: 5-7, 16-18, 25, 30; I Jọn 1:7; Ndi Hibru 9:19-22
8. Anaesure arụ̀ anụọhịa ahụ n'àzụ́ ọmụma ụlọikwuu, Livitikọs 4:8-12, 19-21, 26, 31, 32; 6:30; Matiu 27:31-33; Ndi Hibru 13:11, 12
9. Achịcha ahụ anaeche n'iru Chineke bụ ụdị nri nke mmụọ nke Okwu Chineke, Levitikọs 24:5-9; Jọn 6:32-58; 1:1, 2
10. Ihe ịdọbaoriọna nke ọlàedo ahụ bụ ụdị nri nke Mmụọ Nsọ nke náenye Okwu Chineke ìhè, Ọpupu 25:31-40; 27:20, 21; Ọnu-ọgugu 8:1-4; Jọn 1:4, 9; 8:12; 12:46; 2 Ndi Kọrint 4:6; Nkpughe 1:4, 13; 4:5

## NKỌWA DỊ ICHEICHE

### Ụlọikwuu Ahụ Na Nnọnyere Chineke N'elu Na Nime Ya

Anyị achọpụtawo na Ụlọikwuu ahụ bụ ebe dị mkpà nye ndị Israel maka ifè òfùfè, ebe Chineke naezute mmadụ na ebe mmadụ naabịarute Chineke nso. Iduzi ndị Ya n'ụzọ ezi òfùfè, Chineke nyere ngosi dị icheiche na ihe ncheta dị icheiche anaahụ́anya bụ́ ihe gaakọwara ha eziokwu ahụ niile dị ókè mkpà banyere Mkpụchịmmehie na ịhụn'anya Ya nye mmadụ niile èkèrèèkè. Ọtụtụ ihe nlereanya ndịa na ihe ncheta ndịa niile ka anaahụ́ nime Ụlọikwuu ahụ, nke ewuru site n'onyinye afọofufo nke ndị ahụ (Ọpupu 25:2). Ọ bụ ihe obiụtọ ịgụta na esitere na àjàmbuli afọofufo nke ndị Chineke arọpụtara nweta ihe niile ejiri wue ụlọ ahụ na ihe niile ejiri chọọ ime ụlọ ahụ mma (Ọpupu 35:21-29).

Igweoji nke ebube Chineke naeguzo n'elu Ụlọikwuu ahụ n'ehihie na n'abalị n'oge niile nke nwagharị ha nime ọzara. Igweoji nke a, dịka ogidi nke duru ụmụ Israel n'ọpụpụ ha site n'Ijipt, naapụta ìhè n'ehihie dịka igweoji na dịka ọkụ n'abalị (Ọnu-ọgugu 9:15-17). Mgbe Chineke chọrọ ka ndị Israel malite kwa ijè ha ọzọ igweoji ahụ naarịgo site n'elu Ụlọikwuu ahụ wee jerue n'isi ahịrị ndị ahụ náebuli ijè, wee náedú kwa ha rue n'ebe ọzọ ha gaakwụsị. Ogidi igweoji ahụ n'ehihie bụ ihe nchebe, ogidi ọkụ ahụ bụ kwa ihe náeduzi ha n'abalị; ma "Shekina" maọbụ ìhè dị nime Ebe Nsọ Kachasị, bụ "Ngosiputa di Nsọ nke Chineke ji eme ka madụ nwee mmetuta nke nnọnyere Ya." Ogidi igweoji ahụ na ogidi ọkụ̀ ahụ bụ nrọpụta nke Chineke nye Israel, ma "Shekina" ahụ bụ nnọọ iru nke Chineke n'Onweya nime Ebe Nsọ Kachasị Ebe Nsọ Niile, ebe ọ bụ náánị onyeisi nchụàjà naaba nime ya otù ugbò n'arọ.

### Ụzọ Ijékuru Chineke

Onye mmehie naabịakute Chineke site n'iweta àjà ikpéọmụma n'ihi mmehie ya niile, bụ́ nke anaegbu n'ebe ịchụàjà nke ọlà ahụ nke dị n'ebe mpụta nke Ụlọikwuu ahụ. Ọ bụ ebe ahụ ka anaechègharị n'ihi mmehie niile emere; anaeji kwa okwukwe, anaekpuchikwa mmehie site n'ifesa ọbara. Mmadụ ahu adịghị agafe karị ebe ahụ; ọbụná ụzọ ijekuru Chineke site n'ihe akàrà ngosi niile ahụ anaahụ́anya bụ́ náánị site ná ndị nchụàjà ndị bụ́ ndị ogbugbò na ndị náanọchịta ndị Israel n'iru Chineke. Anyị gaahụ́ na óké amamihe dị na nke a. Àtụ̀màátụ̀ nke Chineke.

Mgbe niile ka mmadụ naachọ isite n'ọlụ aka nke ya nweta iruọma nke Chineke, dịka Ken mere mgbe o wetara àjà ya. Chineke chọrọ ka mmadụ bịarue Ya nso n'okwukwe ka ewee dee ụ̀kpụ̀rụ̀ nsọ niile ahụ n'obi ya, nke a

gaenye ya ike iso Chineke jee ijè ma nwee kwa ọñụ ná mnwekọ nke Ya. Ma site na mgbe rue na mgbe ka mmadụ naalaghachiàzụ́. Akàrà ngosi ndịa anaahụ́anya dị mkpà; ma ha ezughịòkè n'onweha, ịbụ ihe mmadụ gaeji nweta mkpuchimmehie na mgbaghara site n'aka Chineke. Ha bụ̀ náánị́ ihe náatụ̀aka, ụdị maọbụ onyinyo nke óké Àjà ahụ nke gaje ịbịa na nke ezi òfùfè ahụ nke agaekpughere mmadụ mgbe oge ahụ zuru, mgbe mmadụ gaakpọ isiala nye Chineke nime mmụọ na n'eziokwu, ọ bụghị kwa n'oge ewepụtara iche maọbụ n'ebe ewepụtara iche (Jọn 4:20-24). Chineke nyere akàrà ndịa ka ha bụrụ ihe gaeduzi mmadụ, ma amamihe nke Chineke naegosi ókè ebe mmadụ náagaghị agafe n'iji ha mee ihe. Asị na ekwere ka mmadụ niile ndị bịara ifè òfùfè bata n'Ebe Nsọ ahụ ifesa ọbara nke àjà ikpéọmụma n'ihi mmehie ha n'akụkụ iru ákwà mgbochi ahụ, ma debe ụfọdụ n'elu mpi nke ebe ịchụàjà nke ọlàedo ahụ, ebe frankinsense naanọ náenwu ọkụ, ọ gaghị adịworị anya mgbe usoro òfùfè ahụ niile gaadị alaala. Ọ gaabụworị náánị́ usoro ọlụ dị icheiche maọbụ ememe dị icheiche; ezi okwukwe ahụ, ya na ezi mmụọ nke ịkpọ isiala na nchègharị site ná mmehie gaakwụsịworị. Òfùfè nke ndị Israel gaadịworị ka òfùfè arụsị nke mba dị icheiche nke ndị Kenean, ndị ha chọrọ imeri.

**Ebe Nsọ Ahụ**

Mgbe mmadụ wetara àjà ikpéọmụma maka mgbaghara nke mmehie niile ọ kpachara anya mee, ọ kà fọdụkwara mgbọrọgwụ mmehie maọbụ mmehie ahụ eburu pụta ụwa nke dị nime obi ya, nke chọrọ nsachapụ. Nke a bụ̀ ọlụ ahụ anaalụ na ihe mnwapụta ahụ anyị mara dịka Odudonsọ Zuruòkè. Iji gosi ihe yiri ụdị onyinyeamara nke a dị ebube, Chineke nyere ụmụ Israel Ebe Nsọ ahụ nime Ụlọikwuu. Ihe ọ bụla nke dị nime ebe ahụ bụ ihe náegosi akụ̀kụ̀ nke onyinyeamara ahụ dị ebube, maọbụ, ụzọ arọpụtara agaeji wee nweta ya. Náánị́ ndị nchụàjà naabà n'Ebe Nsọ ahụ otù ugbò n'arọ, dịka ndị náanọchịta anya ndị Israel. Onye wetara àjà mmehie naanọdụ n'èzí ná ekpe ekpere. Ebe ọ bụ na ihe ọ natara sitere n'aka Chineke, anyị nwere ike ịhụ́ na ọ bụghị n'ihi ike aka ya maọbụ ọlụ nke aka ya; kama ọ bụ n'ihi ekpere ya niile nke o kpere nye Chineke n'okwukwe. N'ụzọ dị otú a ejiri amamihe nke Chineke mee ka ezi òfùfè dịgide n'eluụwa.

N'akụkụ ugwu nke Ebe Nsọ ahụ ka adọbara tebụl nke ejiri osisi acacia were kwa ọlàedo machita elu ya. Ndị nchụàjà naedebe ogbe achịcha iri na abụọ ahụ anaeche n'iru Chineke isii isii n'ahịrị ọ bụla. Náánị́ ndị nchụàjà, bụ̀ kwa ndị edoro nsọ, naeri achịchị ahụ n'Ebe Nsọ ahụ. Ọ bụ ụdị nri nke imemmụọ nke Okwu ahụ nke náabụ nke anyị mgbe anyị nwetara ihe mnwapụta ahụ dị ebube.

N'akụkụ ndịda, maọbụ n'akụkụ nke aka èkpè ebe onye nchụàjà si abata, ka adọbara ihe ịdọbaoriọna, maọbụ ihe eji adọba oriọna nke ọlàedo ahụ. Nke a naeme ka ìhè nwubata nime ime ụlọ ahụ gbara ọchịchịrị. Ákwà mkwụba ahụ akwụbara n'iru, na ihe ahụ eji kpuchie akụkụ anọ ya naeme ka ìhè nke sitere n'èzi ghara ịbata nime ebe ahụ. Nke a bụ ụdị Mmụọ Nsọ ahụ nke náeme ka ìhè mụkwasị Okwu ahụ akụrụ n'obi ahụ edoro nsọ n'ezie (Nkpughe 1:4; 4:5).

**Ebe Nchụàjà Nke Ọlàedo Ahụ**

N'ebe dị n'etiti, n'iru ákwà mgbochi ukwuu ahụ nke kewara Ebe Nsọ Kachasị Ebe Nsọ Niile ahụ ka ihe nke eji esureàjà nsure ọkụ̀ náesi ísìụtọ dị. Ọ dịghị àjà nsure ọkụ̀ ọ bụla anaesure n'elu ebe ịchụàjà a. Náánị́ àjà nsureọkụ̀ ahụ náesi ísìụtọ nke dịrị Jehova ka anaesure n'elu ya. Ọ bụ ihe arụ ịchụàjà nsure ọkụ̀ náesi ísìụtọ nke ndị ala ọzọ, maọbụ ọkụ ala ọzọ n'elu ya, maọbụ onye ọ bụla iwere ọnọdụ nke ndị nchụàjà n'ike, maọbụ onye ọ bụla iwere ihe nsure ọkụ̀ ahụ nke dị nsọ mee ihe ọzọ. Etigburu Nedab na Abaihu na nke ugbò abụọ na ha dara iwu ndịa (Levitikọs 10:1, 2); emere ka ekpenta rapara n'arụ̀ Eze Uzaia na nke ugbò atọ emebiri iwu a n'ihi na o were ọnọdụ ndị nchụàjà (2 Ihe Emere 26:16-21); ịnwụ anwụ bụ ahụhụ mmehie enyere mgbe adara iwu ahụ na nke ugbò anọ (Ọnu-ọgugu 16:35-40).

Àjà nsureọkụ náesi ísìụtọ nke anaachụ n'elu ebe ịchụàjà nke ọlàedo ahụ yiri ekpere nke ndị nsọ (Abù Ọma 141:2; Malakai 1:11; Nkpughe 8:3, 4), ma ndị ahụ naekpekwa ekpere n'èzi n'oge ahụ nke onye nchụàjà naesureàjà nsureọkụ̀ ahụ náesi ísìụtọ (Luk 1:10). Anwụrụ ọkụ̀ nke àjà nsureọkụ̀ ahụ náesi ísìụtọ nke náarịgo mgbe niile bụ ụdị mmekọ ukwuu ahụ nke náadịgide (I Ndi Tesalọnaika 5:16-18) n'etiti mmadụ na Chineke mgbe asachara obi wee wepụ mmehie nke eburu pụta ụwa; ewee weghachi ụdị Chineke -- eziomume na ezi ịdịnsọ ahụ (Ndi Efesọs 4:24; Ndi Kọlọsi 3:10). Mmekọrịta dị otú a bụ ihe pụrụ ịdị mfé náánị́ nime obi ahụ edoro nsọ.

**Àjà Mmehie Ahụ**

N'ihi ka ewee sachapụ mmehie ahụ eburu pụta ụwa, aghaghị ịwụsị ọbara (Ndi Hibru 9:22); nke a ka Chineke doro nime àjà ahụ nke ndị Israel mara dịka àjà mmehie. N'ịchụàjà ikpéọmụma ahụ, anaegbu anụ ịchụàjà ahụ n'elu ebe ịchụàjà nke ọlà ahụ. Ọ bụ site n'àjà nke a ka anaeme ka mmadụ na Chineke dị n'udo, ọ bụ kwa site n'ime udo ahụ ka onye ahụ gaeji weta àjà mmehie ma emesịa ka ewee sachapụsịa mmehie ahụ nke eburu pụta ụwa. Ọ dị mkpà na agaagbanwe usoro nke ịchụàjà ahụ, n'ihi na ịchụ otù ụdị àjà n'ebe abụọ ahụ gaewetaworị ihe mgbagwoju anya n'ụdị ijéozi dị icheiche.

Anaegbu anụ ịchụàjà mmehie ahụ n'elu ebe ịchụàjà nke ọlà ahụ. Emesịa anaeji ọbara ya banye n'Ebe Nsọ ahụ wee fesa ya ugbò asaa n'iru ákwà mgbochi ahụ wee dọba ya n'elu ebe ịchụàjà nke ọlàedo ahụ. Mgbe emesịrị nke a ekpuchiwo mmehie wee sachapụ kwa onye ahụ maọbụ ndị ahụ àjà ahụ naanọchịta anya ha. Anaesure ozu niile

nke anụ ahụ egburu n’ọkụ̀ n’àzụ́ ọmụma uloikwuu. Jisọs, àjà ahụ nke zuruòkè nke achụrụ mezuru akụkụ niile nke ụdị àjà mkpuchịmmehie. Agwara anyị n’akwụkwọ Ndi Hibru na mgbe ọ bụla esurere ozu anụ ahụ niile ọkụ̀, bụ́ nke anaewebata ọbara ha n’Ebe Nsọ ahụ na àzụ́ obodo, ha bụ ihe náanọchị anya ọnwụ nke Kraist n’àzụ́ ọnụ ụzọ ama nke Jerusalem maka odudonsọ anyị (Ndi Hibru 13:11, 12).

Anyị ji Kraist óké ụgwọ n’ihi àjà mkpuchimmehie nke Ọ chụrụ n’ihi anyị, n’ihi na ọ bụ na Kalvarị ka O mere ka nzọpụta zuruezu bụrụ ihe anyị pụrụ inweta. Nzọpụta zuruezu pụtara onyinyeamara niile nke anyị nwetara site na mgbe Chineke mere ka amamikpé nke mmehie bata nime obi anyị, wee duru anyị bịakụte Kraist rukwarị mgbe ewelikọrọ anyị izute Ya n’igweoji. Onye tọrọ ntọala Oziọma Apostolic Faith naekwurị ọtụtụ mgbe na odudonsọ zuruòkè bụ̀ “isi ihe nile” anyị naanwapụta ya dịka ndị Kraist, n’ihi na ewezuga ịdịnsọ ahụ onye ọ bụla agaghị ahụ́ Onyenweanyị anya (Ndi Hibru 12:14).

Ekwensu ewepụtawo oyiri dị icheiche nke o nwereike iji gbanwere onyinyeamara niile ndịa ebe ọ dịghị ihe ọzọ ọ pụrụ iji dochie ọnọdụ ịdịnsọ ọ chọtawo ụzọ aghụghọ ọzọ dị icheiche iji tụnyere ọnọdụ onyinye amara nke a dị óké mkpà. O zonarịrị ya ụfọdụ, wedata ya ala n’ebe ndịọzọ nọ, ma gbanwekwa òzízí banyere ya n’Akwụkwọnsọ n’ebe ndịọzọ nọ. Ma anyị na ekele Chineke n’ihi na eziokwu Ya naadịgide n’ụwa, na ndị niile náachọsi ngọzi Chineke ike nwereike inweta onyinyeamara ukwuu nke abụọ a, nke onye ọ bụla náapụghị ịbà n’Ebe Nsọ anyị kachasị Ebe Nsọ niile -- ọwụwụmmiri ukwuu ahụ nke Mmụọ Nsọ na ọkụ̀.

## AJỤJỤ DỊ ICHEICHE

1. Kwue ọ̀tụ̀tụ̀ nke akụkụ niile nke Ebe Nsọ ahụ?
2. Òlee aha ọzọ akpọrọ Ebe Nsọ ahụ nime akwụkwọ Ndị Hibru?
3. Gịnị naenye ìhè n’Ebe Nsọ ahu? Gịnị ka ìhè ahụ nọchiri anya ya?
4. Ugbò òle ka anaagbanwe ogbe achịcha ahụ anaeche n’iru Chineke? Gịnị ka ọ nọchiri anya ya?
5. Gịnị ka anaachụ n’elu ebe ịchụàjà ọlàedo ahụ? Gịnị ka ọ nọchiri anya ya?
6. Mgbe anaefesa ọbara nke àjà mmehie ahụ n’iru ákwà mgbochi ahụ wee tinye kwa na mpi ahụ n’ebe ịchụàjà nke ọlàedo ahụ, gịnị ka ọ nọchiri anya ya?
7. Gịnị ka anaeme ozu anụ ahụ bụ́ nke adọkwasịrị ọbara ya n’elu ebe ịchụàjà nke ọlàedo ahụ? Kwue amaokwu dị icheiche nime Testament Ọhụụ nke náegosi ihe a emere.
8. Òlee ndị náaba n’Ebe Nsọ ahụ? Gịnị dị mkpà ka ha mee tupu ha ekwesị ịbà n’Ebe Nsọ ahụ?
9. Kwue ihe dị icheiche n’etiti àjà anaeweta maka mgbaghara mmehie na àjà anaachụ n’ihi nsacha nke ime obi?
10. Gịnị mere na ọ dịghị ihe anaeji edochi odudonsọ dịka Ekwensu chọpụtaworo ihe anaeji edochi ịgụ mmadụ n’onye eziomume na ọwụwụmmiri nke Mmụọ Nsọ na ọkụ̀?